# NZUKỌ AHỤ, NWUNYE NKE KRAIST

**Ndi Efesọs 5:1-33.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 403**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu esola ọlụ nke ọchichiri nke nāmigh nkpuru nēnwekọ ihe, ma kama nke ahu nātu-kwa-nu ha nmehie-ha n'anya" (Ndi Efesọs 5:11).**

## Akwụkwọozi nke Pọl

Ọ dịghị mgbe ọ bụla Jisọs kwuworookwu náabaghị urù, otú ahụ kwa okwu niile nke Ndịozi Ya bụkwa okwu bara urù na eziokwu. Mgbe Pọl Onyeozi kwusara ụmụmmadụ oziọma, ma ọ bụ degara ha akwụkwọ, ozi ya naabà urù.

Site na Rom Pọl degaara nzukọ dị ná Efesọs akwụkwọ ka ọ "Nējéghari-kwa n'ihu-n'anya," nke ahụ dịkwara anyị onweanyị taa. Ọ naede akwụkwọ dịka nna nwere obiebere náarịọ ka anyị náeñomi Chineke, "dika umu ahuru n'anya." Dịka ụmụ naeyi ndị mụrụ ha n'arụ, otú a ka ndụ onyensọ nke Chineke naewere oyiyi nke Kraist náamị kwa mkpụrụ nke ịbụ onyenkeKraist. Oziọma nke Jisọs Kraist dị ọcha, dị nsọ zukwa ókè. Ọbụná ikwuokwu nzuzu na okwu náabaghị n'ihe bụ́ nke "nēkwesigh" bụ ihe naagaghị enwe oghere ná ndụ ndị nke Kraist. Jisọs sịrị na "okwu ọ bụla madụ gēkwu nke nābagh n'ihe, ha gāza ajuju banyere ya n'ubọchi ikpé" (Matiu 12:36). Okwu nzuzu abaghị n'ihe, ọ dịghị kwa urù dị na ya o nweghị nghọta ọ bụla dị nime ya. Okwu náabaghị n'ihe pụrụ isokọta n'ikwuokwu nzuzu nke nkọwa ọjọọ dị nime ya, maọbụ okwu urè maọbụ nke dị ihérè. Ndịa enweghị ọnọdụ ọ bụla na mkparịta ụka nke ndị nke Kraist. Anyị naagụ na Eklisiastis 10:1 na "nzuzu nta" nime onye anaéchè na ọ mara ihe dị kwa nsọpụrụ dị ka ijiji nwụrụanwụ nime mmanụ otite. Anaagwa anyị jègharịa "ọ bụgh dika ndi nzuzu kama dika ndi nwere uche."

"Nējégharinu dika umu nke ìhè." Mmehie bụ ọchịchịrị, Ekwensu bụ kwa onyeisi ọchịchịrị. Anaagwa anyị ka anyị na ndị mmehie enwela mmekọrịta ọ bụla, kama ka anyị náatụ́ ha mmehie ha n'anya. Òlee ndị bụ ndị enyi gị? Òlee nnọkọ ndị naatọ gị ụtọ -- nke ndị nke Kraist ka ọ bụ nke ndị mmehie? Ọtụtụ mgbe ndụ nke ezi onyenkeKraist naatụ onye mmehie mmehie ya n'anya, ọbụná mgbe ọ naekwughị okwu ọ bụla. Otú ọ dị, mgbe ọ bụla Onyenweanyị meghere ụzọ, ka anyị ghara inwe obi abụọ ikwupụta Jisọs nye ha. Ezola ìhè gị "n'okpuru mgbé."

## Ajọ Ụbọchị

Amaokwu nke irinaanọ dịka òkù opiike náakpọ, "Teta," "Bilie." Gịnị bụ ịdị ọkụ ọkụ nke ozi a? "Ụbọchị dị njọ." Were oge niile mee ihe! Oge adịghị ịtufu: oge dị mkpụmkpụ! "Unu añubiga-kwa la manya ókè." Otúọdị, ọtụtụ ụzọ ọzọ dị apụrụ iji "ñubiga-manya okè" ewe tufue Mmụọ Chineke. Ụfọdụ ụmụmmadụ nọ bụ́ ndị iheụtọ na nchègbu nke ụwa a "na-egbu dika manya." Ụmụ okorọbịa na ụmụ agbọghọbịa ụfọdụ naagụ akwụkwọ akụkọ edereede riinne na ha naemezi ka ha "ñubigara-manya-ókè"; ndị ụfọdụ naadị ka ha ñubigara manya ókè" site n'ikiri onyonyo (television); ndị ọzọ bụ ndị ijé lereanya n'ebe anaegwúriegwú na ha apụghị ịrapụ ijé mgbe ọ bụla; ụmụ agbọghọ ụfọdụ naachụso ngwa iheoyiyi na ákwà nke naapụta mgbe dum tutu rue mgbe ọbụ ihe ndịa gaejupụta échìchè ha niile. Ma ọ bụghị otú a ka ọ dịrị ndịnkeKraist.

Ndị ahụ náakpafu site n'ebe Chineke nọ gaasị: "Ah, akam bụ nwata! Agam ebizu ndụm. Òle ihe di njọ n'ijé lere cinema mgbe ụfọdụ? Gịnị dị kwa njọ n'ikiri onyonyo (television)? Ọ gaegbum mgbu n'arụ isè náání otù sịga?"

N'ófè mmiri n'ala ọzọ, mgbe ụmụ okorọbịa bụ́ ndịagha náenwe ogologo oge mgbe ha naanọ náání ha n'ebe dị anya site n'ụlọ ha, ụfọdụ nime ha naasi "Òle ihe ọjọọ dị n'ijé kiri ihe nkiri? Ọ bụghị náání ebe igwùriegwù sara mbara, anyị esoro ndị ibe anyị ọzọ nọdụ ala. Gịnị bụ ihe ọjọọ dị na ya ma ọ bụrụ na ọ bụghị ihe nkiri jọrọ njọ"? Gịnị bụ ihe ọjọọ dị na ya? N'ihi na ijé náání otù ugbò naeme ka ha chọ ijé ọzọ, ha esikwa otú ahụ chọ ịnaeje kwasị ya ugbò ugbò. Náagbanyeghị na ọtụtụ ndị gaelekwasị ya

anya dịka ihe náadịghị njọ, ọ naeduba n'ihe ka njọ. Ọtụtụ mgbe anyị naanụ àmà ndị ahụ ọbụ tutu azọpụta ha, ọ naakara ha mma ijé lereanya karịa iri ihe oriri. Otù nwa nwoke naagbaàmà sị, "Achọtaghim afọojuju n'ihe nkiri mgbe ọ bụla kam naenwe obi nwuta site n'ihe m hụrụ." Onye ọzọ sịrị na ihe niile dị ya gburugburu gbara ọchịchịrị na mgbe mbụ ọ zọbara ụkwụ n'ebe a ana ekiri ihe nkiri. Ọtụtụ nime ihe onyinyo anaegosi adịghị mma, ha bụ kwa ihe n'ebibi uche mmadụ.

Otù ihe mere kwesịrị iji gbochie NdịnkeKraist inwe T.V. n'ụlọ ha bụ na ndị okenye na ụmụntakiri naetinyebiga onwe ha ikiri ya tutu rue mgbe o gbochiri ha ime ihe dị mkpà ha kwesịrị ime. N'ụlọ mmadụ òle ndị nwere T.V. ka ị gaachọta ebe ha doro nsọ ikpe ekpere? T.V. enweghị ọnọdụ ọ bụla ná ndụ nwa Chineke n'ihi na ọtụtụ ihe ọ naegosi naezipụta ndụ ọjọọ na ndụ mmehie. Ndị ụfọdụ pụrụ ịrụụka na ọ naegosi eziihe, ma otù onyeozi kwuru n'otù oge na, "Apụrụ ịchọta nri dị mma nime ihe ikpofu ahịhịa, ma ị gaeziga nwa gị ka ọ ga rie ihe nime ihe ikpofu ahịhịa ahụ?"

"Nēdorita onwe-unu n'okpuru ibe unu" Lee ka ha si dị olenaole bụ ndị chọrọ ime nke a! Eleghịanya ha mere nkeọma -- ọtụtụ mgbe mmadụ naeme nkeọma n'anya nke onweya -- ma Onyenweanyị naagọzi anyị mgbe anyị naekwenye, ọbụná mgbe anyị naechè na anyị mere nkeọma. Na I Pita 5:5, anyị naagụ, "Unu ndi bu nwata, donu onwe-unu n'okpuru ndi-okenye." Nke a pụrụ imetụta ụmụokorobịa na ụmụagbọghọbịa irubere nnenanna ha, ndịòzízí ha maọbụ ndịnáejéozi isi.

**Nwunye Kraist Ahụ Dị Nsọ**

Amaokwu 20-33 bụ nke ndị náejeozi naagụ karị n'ememe ọlụlụdinanwunye n'ihi na ha naenye ihe nlereanya banyere ịdịn'otù nke dị n'etiti di na nwunye. Ịdịn'otù naadị site ná njikọ nke di na nwunye, mgbe nwaokorọbịa na nwaagbọghọbịa rapụrụ nna ha, nne ha, na ụlọ ha ewe jikọta ha tutu ọnwụ ekewa ha. (Dịka okwu Chineke si dị, okwu Chineke ekwenyeghị nkewa nke di na nwunye na ịlụghachi di maọbụ nwunye ọzọ ọ bụ ezie na iwu ala anyị nabatara ya).

Onyinyo ọzọ nke yiri ihe anyị pụrụ iwepụta site n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a bụ na Jisọs Kraist rapụrụ obi Nna Ya wee bịa n'ụwa ịchọtara Onweya Nwunye, Nzukọ nke ndị Eburuụzọmụ, site n'ụwa a furuefu. Na mgbe náadịghịanya Jisọs gaabịa ịkpọrọ Nwunye ahụ nye Onweya, ná Nrianyasị Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ ahụ, ebe ahụ maọbụ ihe nnata ahụ kachasị elu nke onyenkeKraist pụrụ inweta. Anyị kwesịrị ịgbalịsiike inweta óké ihe ememe a dị ebube!

Nzukọ ụfọdụ taa nọ n'ụra, mgbe Chineke nọrị naakpọ ndị ahụ mụ anya nime mmụọ nọ kwa ná njikere, ịbụ Nwunye Nwa Ya.

Ememe ukwu ọlụlụdinanwunye abụghị nọ ihe dapụtara otú ahụ, kama ihe niile agaeme bụ nke akpachapụworo anya dozie. Ị̀ jewo ememe ọlụlụdinanwunye wee hụ ezi uwe ọcha ahụ náenweghị ntụpọ nwanyị ahụ anaalụ ọhụụ naeyi? Ị̀hụ kwara ka iru ya naabụ náání ọchịọchị mgbe ya na onye ahụ náalụ ya naekodoaka? Ihe ndịa niile na akụziri anyị banyere ịnọ ná njikere izute Jisọs Onye náabịa iwepụ ndị ahụ jikeworo onweha. "Ka ayi ñuria ọñu, ka obi nātọ kwa ayi utọ nke-uku, ka ayi were kwa otuto nile nye Ya: n'ihi na ọlulu-nwunye nke Nwa-aturu ahu abiawo, nwunye-Ya edoziwo kwa onwe-ya" (Nkpughe 19:7). Ka anyị lezieanya hụ na anyị elefurughi njikere ọ bụla anya: agaazọpụta anyị site n'Ọbara ahụ. Anyị gaedozi ihe ọ bụla anyị meworo wee mejọọ ndị ọzọ. Iwụ mmiri nke mmiri mgbe azọpụtasịworo anyị dị kwa mkpà. A gaedo anyị nsọ site n'Ọbara Jisọs nke ahụ bụ ọlụ amara nke abụọ zuruókè, mgbe eteworo Ọbara Jisọs ọzọ n'obi. Onyinye amara a naenye ndụ dị nsọ nke dị ọcha, na ịhụnanya dị omimi nye Chineke na ndịọzọ. "Ka Ya onwe-ya we che nzukọ ahụ n'iru Onweya dika ihe di ebube, nēnwegh ntupọ ma-ọbu iru-ndọli ma-ọbu ihe ọ bụla n'ihe di otú a, kama ka ọ we di nsọ bụrụ kwa ihe anāpugh itauta" Anyị naagụ ná Ndi Hibru 12:14, na ọ bụrụ na adịghị nsọ "onye ọ bula agagh-ahu Onye-nwe-ayi anya."

Edosịa anyị nsọ anyị gaachọ we natakwa ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ. Onyinye amara a dị ebube ka ejiworo tụnyere mmanụ ahụ maọbụ Mmụọ Chineke ahụ nke ụmụagbọghọ ise ahụ nwere uche ji "n'aria-ha" mgbe ha gara ìzute onye ahụ naalụ nwunye ọhụụ (Gụọ Matiu 25:1-13). Ụmụ agbọghọ ahụ dị nzuzu náejighị mmanụ n'arịa ha maọbụ Mmụọ Nsọ ka arapụrụ n'ezi.

Ọzọ kwa onye dere isi mpaghara nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a náadọghachi kwa échìchè anyị azụ n'ụlọ OnyenkeKraist wee náekwu kwa okwu banyere ịhụn'anya dị n'etiti dị na nwunye, njikọ nke dị nnọọ ukwu nke mere na ha abuọ dịka otù onye. Ịhụn'anya a ka eji tụnyere Kraist na Nzukọ Ya, anaakpọ kwa ya "Óké ihe-omimi."

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị ka ekwuru banyere ikwuokwu efù na okwu náabaghị n'ihe?
2 Gịnị ka Nzukọ naenweghi ntụpọ maọbụ irundọlị pụtara?
3 Otú dị aña ka ezi Nzukọ ahụ sị dị Kraist nso?
4 Òlee otú anyị si mata na oge ndịa dị njọ?
5 Gịnị ka "izu chapuru oge a nile" pụtara?
6 Kpọpụta ọtụtụ ụzọ ọzọ ụmụmmadụ pụrụ iji bụrụ ndị "ñubigara manya ókè."
7 Gịnị ka ido n'okpuru pụtara?
8 Gịnị ka "ụmụ nke ihè" pụtara?
9 Ònye bụ Onyeisi Nzukọ ahụ?
10 Òlee otú anyị pụrụ ịbụ ndị dị nsọ?